# NTỤTEGHARỊ EZI AGWA NA ỌDỊBENDỊ NDỊ IGBO: ỌRỤ DỊ OKE MKPA

**Dr. Chinweude N. Ugochukwu**
Department of Igbo, African & Asian Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka
Email: ugochukwuchinweude@ymail.com

**Ụmị edemede**
Agbụrụ ọ bụla dị n'ụwa nwere usoro obibi ndụ ha nke e nwere ike ịkpọ ọdibendị. Usoro obibi ndụ a metụtara ihe niile gbasara otu agbụrụ nke gụnyere nkwenye, nsirihụ ndụ, akparamagwa, ihe oriri, asụsụ, ụzọ mkpata akụ, arụ na nsọala na ihe ndị ọzọ. N'ihi mmekọrịta obodo na obodo na ngwakọrịta ọdịbendị dị iche iche site na mmepe na akọrọngwa ọgbaraọhụrụ dị iche iche, ọtụtụ agbụrụ na-atụfu ọdịbendị ha werezie ọdịbendị agbụrụ ọzọ dochie anya nke ha. Agbụrụ Igbo ketere oke na nsogbu dị otu a. Ka ọ dị taa, otụtụ ihe e jiri mara ndị Igbo na-efunyụ anya. Nke a butere nsogbu dị iche iche a na-ahụ n'ebe dị iche iche n'ala Igbo dị ka: ịgba mgbere mmadụ, igbu mmadụ dị ka ọkụkọ, ịkpata ego n'ụzọ dị iche iche jọgburu onwe ha, fọnfọju akpa, tigbuo na zọgbuo ụdị a na-ahụ anya na ụdị anaghị ahụ anya; mmegbu na mmetọ ndị ọzọ ga. E bu n'obi ịchọpụta ihe butere ọnọdụ dị otu a nakwa etu a ga-esi belata ma ọ bụ gbochie ya. E sitere n'ịgba ajụjụọnụ akwadoghi akwado nakwa nleru anya chọpụta na e nweghi afọ ojuju na oke ọchịchọ; ịchọ ịba ọgaranya taa na echi; enweghi ugwu na nsọpụrụ nye omenala ndị Igbo so ebute nsogbu ndị e metụrụ aka. Edemede a na-akpọ oku ka ndị Igbo leghachianya azụ, chegharịa uche ha, hụta na o nweghi uru dị n'itufu ọdịbendị ha; ka a malite iweghachi ezi agwa na ọdịbendị ndị Igbo nke a na-echefuzi echefu. A tụpụtaziri ihe ndị a ga-eme ka e megharịa ọdachi.

**Revitalisation of Igbo Values and Customs: A Crucial Task**

**Abstract**
Every society in the world has its own way of life. A people's way of life touches everything about their worldview, behaviour, food, language, music, attire, business, dos and don't etc. Through globalisation, different customs and traditions are coming in contact and the result is that vital values and customs are being eroded. The Igbo tribe is not exonerated from the adverse effects of globalisation. Today, most of the values by which the Igbo tribe is known for are being negatively affected. As a result, a lot of vices are witnessed in today's Igbo society; such vices like: making money by all means, kidnapping and killings, bribery and corruption in high and low places, etc. This work is set to identify the causes of these vices and how to minimise them. The study sourced data through unstructured interview and keen observation. The interpretation and analysis of data show that lack of contentment, laziness, lack of respect for the age long Igbo traditions contribute to the erosion of Igbo values. The paper calls on the Igbo people to redress their steps by upholding their values and customs as that is the only way to forge ahead. The paper suggested measures to revitalise the eroding Igbo values and customs.

## Mkpọlite

Obibi ndụ mba ọ bụla metụtara ọtụtụ ihe; o metụtara otu ha siri malite, ụdị ndụ ha na-ebi, ihe ha na-eme, ụdị ekike ma ọ bụ uwe ha na-eyi, ụdị nri ha na-eri, mmetụta dị n'etiti mmadụ na ibe ya, otu ha si eche echiche na otu ha si kwụrụ mgbe obibi ndụ ha na ndị

mba ọzọ zutere (Ogbalu, 1981). Na nkọwa Ogbalu, ọ bụ otu ala mba dị, ya na ihe dị na ya na-enye aka ime ka ndị bi n'ime ya dị otu ha dị ma ọ bụ na-eme omume otu ha si eme. Agbụrụ ọ bụla dị n'ụwa nwere ihe jikọtara ha ọnụ nke mere ha jiri bụrụ otu. E wezuga ihe ndị ahụ ha nwekọrọọnụ, a garaghị enwe otu e si ama agbụrụ onye si na ya pụta. Obodo ọ bụla nwere ọdịbendị ha nke na-apụwaga iche n'ọdịbendị obodo ọzọ. Nke a pụtara na o nwere ụzọ obibi ndụ otu obodo ga-anabata mana obodo ọzọ agaghị anabata ya.

Ndị Igbo nwere akparamagwa na ọdịbendị nke ha na-ezipụta site na omenala ha (Okoyeagu (n.d) 13-18). N'oge gboo, ndị Igbo ejighi ihe gbasara ezi agwa egwuri egwu; ọ bụ ihe dị nnukwu mkpa nke ha anaghị eleghara anya. Mana otu ọ dị taa, ihe gbasara agha Nigeria na Biafra butere oke ndaghachi azụ n'ebe ezi agwa na ọdịbendị ndị Igbo dị. Obodo ọ bụla nwere ihe ha na-asọ nsọ. Mgbe ọ bụla e mere ihe obodo na-asọ nsọ, e merụọla ala ahụ. Nke a na-ebutekwa nsogbu dị iche iche n'obodo. Mgbe ụfọdụ, anaghị aghọtacha ụfọdụ ihe na-eme n'obodo. Mgbe a na-eme ihe ụfọdụ n'ụzọ abụghị ka e si eme ya n'obodo,a na-akpasu mmụọ ndị na-elekọta obodo anya iwe.
Ọ bụrụ na e lee anya n'ala Igbo taa, ọtụtụ ihe mgbagwoju anya anaghị emebu na mbụ na-emezi. O doro anya na ndị Igbo bụ ndị nweburu nsọpụrụ na ugwu na Naịjiria; mana malite mgbe ndịọcha bịachara ala Igbo rue mgbe a lụrụ agha Bịafra wee rukwaa taa, ọnọdụ ndị Igbo agbanweela n'ụdị kwesiri ka e meere ha ebere. Ugwu ndị Igbo akpụọla afọ n'ala. Agbụrụ ndị na-asọpụburu agbụrụ Igbo jizi ndị Igbo eme ihe ọchị. Nke a abụghị ihe nkịtị; o nwere ebe mmiri siri baa n'opi ụgbọgụrụ. Akwụkwọ nchọcha a lebaara anya n'ihe bụ ezi agwa na ọdịbendị ndị Igbo; mmetụta ozuruụwa n'ebe akparamagwa na ọdịbendị ndị Igbo dị. Atụrụ aro ihe ndị a ga-eme iji tụte ezi agwa na ọdịbendịIgbo nakwa iji megharịa ọdachi na-echere ndị Igbo aka mgba.

**Ezi agwa, ọdịbendị ndị Igbo na mmetụta ozuruụwa**
Ezi agwa bụ akparamagwa ndị ahụ dị mma nke agbụrụ nabatara maka mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Nke a gbanyere mgbọrọgwụ n'ọdịbendị nke metụtara usoro obibi ndụ nke otu agbụrụ. Ọdịbendị ndị Igbo gbasara ihe niile banyere nsirihụ ndụ ndị Igbo, nkwenye, okpukpe, asụsụ na ihe niile ha nabatara na ndụ. N'ebe a, e lebara anya na mgbanwe dị iche iche batara n'akparamagwa ndị Igbo nakwa ọdịbendị ha site na mmekọrịta ozuruụwa. E buru ụzọ tụlee ezi agwa ụfọdụ na-apụta ihe n'usoro obibi ndụ nke e ji mara ndị Igbo tupu e lebaa anya na mgbanwe ndị e nweerela.

**Inwe ezi ntọala ezinụlọ**
Ezinụlọ bụ nnukwu ihe ndị Igbo na-akpachapụrụ anya. A na-ewere ezinụlọ dị ka mmalite ma ọ bụ ntọala obodo ọ bụla. Ya mere ndị Igbo ji asị na,"a na-ebido n'ụlọ mara mma wee pụọ n'ezi". Nke a pụtara na ọ bụrụ na ezinụlọ adịghị mma na obodo agaghị adị mma. N'ihi na ezinụlọ bụ ntọala ndụ na nghọta ndị Igbo, a na-ehi aka n'anya mgbe a na-achọ ihibe ma ọ bụ ịmalite ezinụlọ. A na-eme nke a site n'ịhụ na nwoke na nwaanyị nwere ezigbo ọzụzụ mgbe ha na-etolite maka na ọ bụ ha ga-ewube ezinụlọ n'ọdịnihu. Mgbe nwoke tozuru inwe ezinụlọ nke ya, a na-ehi asaa n'anya n'oge gboo iji chọta ezigbo nwaanyị ya na ya ga-ebi wee nwee ezinụlọ nke aka ha. Ọ bụrụ na a hụ nwaagbọghọ dị mma n'anya, ihe ọzọ a ga-eme bụ ịchọpụta ụdị ezinụlọ o si na ya pụta. A na-agba mbọ site n'ụzọ dị iche iche chọpụta ihe niile banyere ezinụlọ nwaagbọghọ ahụ siri pụta. Ọ bụrụ na ihe ndị a chọpụtara banyere ezinụlọ ahụ dị mma, a ga-aga n'ihu ịlụbata nwaanyị ahụ ka ya na di ya wee mụba ụmụ.

Ndị Igbo na-ahụta ezinụlọ dị ka ndị nwere mmetụta ọbara nke o nweghi ihe kwesiri ikewa ha. Ndị mejupụtara otu ezinụlọ onye Igbo gụnyere: nne, nna, ụmụ, ụmụụmụ, ụmụnne, ndịọgọ na ndị na-eje ozi. Ka ndị Igbo si ahụta ezinụlọ dị iche n'etu agbụrụ ndị ọzọ si ahụta ezinụlọ. Nke a mere na onye Igbo agaghị eme ihe ụfọdụ n'emeghi ka ndị niile kwesiri ịma mara.

Ka ndị Igbo si ahụtazi ezinaụlọ na-agbanwe n'ike n'ike. Ụfọdụ ndị Igbo na-ebizi ndụ ka ndịọcha, nke pụtara na nwoke lụrụ nwanyị mụta ụmụ anaghị achọzi ịma maka ụmụnne ma ọ bụ nne na nna ya otu ọ dịbu na mbụ. Ihe na-emezi ugbu a bụ na nwa okorobịa chọrọ ịlụ nwaanyịọ ga-ebu ụzọ chọta ebe ya na nwunye ya ga-ebi ka ọ ghara inwe ihe ga-ejikọ nne na nna ya na nwunye ọhụrụ ya. Ụdị ezinụlọ a bụ onye na nke ya onye na nke ya. Nke a na-eme na nwanne anaghị amakwa nwanne ya, nwanne enwekwaghị ike ije na nke nwanne ya n'ebughi ụzọ mee ka ọ mara ma ọ bụ nwete ikike ma ọ bụ nkwado. Ụdị akparamagwa a abụghị nke e jiri mara ndị Igbo n'oge gboo, kama o sitere na mmekọrịta na ngwakọrịta ha na agbụrụ ndị ọzọ site n'igwe ozuruụwa dị iche iche.

**Ịchọta na ịlụ nwaanyị**

Ịlụ di na nwunye bụ otu ihe pụtara ihe na ndụ ndị Igbo. A chọpụtara na ọtụtụ ihe agbanweela dị ka ha si metụta ịlụ di na nwunye na ndụ ndi Igbo. Ịlu di na nwunye bụ ihe nwere ugwu dịkwa nsọ nke a na-akpachapụrụ anya na mbụ, mana taa, e nweela oke mgbanwe na ngwarangwara batara n'ihe gbasara ịlụ nwaanyị malite n'ịchọta nwaanyị a ga-alụ alụ rue n'imezu omenala dị n'ịlụ nwaanyị. Mgbe mbụ, nwoke tozue ihe e ji mmadụ eme, o nwere ihe a na-atụ anya ọ ga-eme tupu o kwube okwu ịlụ nwaanyị. Ihe ndị ahụ gụnyere: ịgba mbọ nke aka ya dị ka ịnara nna ya ala ebe ọ ga-akọ ugbo nke ya, ịgwa nna ya ka o nye ya ala ebe ọ ga-arụ ụlọ nke ya na isonye n'ụmụnna tinyere ịtụ ụtụ dịịrị ya. Obodo ọ bụla nwekwara ka ha si eme ma ọ bụ anwapụta nwoke tozuru ịlụ nwaanyị. Ọ bụrụ na nwoke mezue ihe ndị a rụtụrụ aka n'elu,ọ ga-agwa nna ya na ya achọọla inwe onye inye aka. Ọ bụ nne na nna na ikwu na ibe ka ọ dịịrị ịchọtara nwa ha nwoke onye ọ ga-alụ. Ọ bụ eziokwu naọ bụghi iwu na ọ bụ ndị a ga-achọtara ya nwaanyị, nwoke n'onwe ya nwekwara ike jiri aka ya chọta nwaanyị; mana ihe dị mkpa bụ na nwaanyị a ga-alụta ga-abụ onye ndị ọzọ nabatara. E nwere ike, mmadụ niile agaghị enwe nkwekọrịta banyere nwaanyị a chọtara, mana ezinụlọ nke nwoke, ọ kachasị nne na nna ya ga-anabatarịrị nwaanyị ahụ tupu e bido ịjụ ese na ime ihe ndị ọzọ.

Ọ bụrụ na a chọta nwaanyị a ga-alụ, ihe ọzo ejighi egwu egwu n'oge gboo bụ ịjụ ese gbasara ezinụlọ nke nwoke na nke nwaanyị. Ịjụ ese bụ nchọpụta gbasara nwoke na nwaanyị na-achọ ịlụ onwe ha, iji mata ma o nwere ihe ọjọọ nwere ike igbochi mmadụ abụọ na-achọ ịlụ onwe ha ịbụ di na nwunye. Nke a dị nnukwu mkpa n'ihi na a na-esite na ya amata ihe niile banyere ndị na-achọ ịlụ onwe ha na kwa ezinụlọ ha. E kwenyere na ọtụtụ nsogbu a na-enwe n'etiti di na nwunye taa sitere n'emeghi ezigbo nchọpụta tupu nwoke na nwaanyị amalite ịlụ di na nwunye. Ụfọdụ nsogbu nwere ike iso ajụghị ezigbo ese tupu abanye ịlụ di na nwunye gụnyere: amụtaghị nwa ma ọ bụ amụghị nwa n'oge, nghọtahie dị iche iche nwere ike ibute alụkwaghịm, ọrịa ọjọọ, ihe isi ike, ọnwụ ike, ihe mberede n'ụdị dị iche iche dg.. E nwere ike isite n'ịba ọhịa ajụjụ chọpụta ihe ga-enye aka gbochie ụdị nsogbu dị otu a n'ọdịnihu.

Ogbalu (1981) mere ka a mata na ịgba alụkwaghịm adịkebeghi n'ala Igbo n'oge mbụ. Ọ sị

> Nketọ di na nwunye bụ ihe siri ike n’ala Igbo n'ihi na ikwu na ibe na-agba nnukwu mbọ ịhụ na edoziiri di na nwunye okwu ọ bụla mgbe dum. Ọ na-ewute ha nke ukwu ma ọ bụrụ na okwu ekweghi ndozite, e wee ketọọ di na nwunye.

Taata n'ala Igbo, e jizighi ịgba alụkwaghịm kpọrọ ihe; nke a mere na otu nwoke ma ọ bụ nwaanyị nwere ike ịlụ nwunye/di mgbe ọ bụla gbaa alụkwaghịm mgbe masịrị ya. Ihe na-ebute ọnọdụ dị otu a bụ na ụfọdụ ndị Igbo anaghị agbasochazi ezigbo usoro e ji mara ndị Igbo n'ihe gbasara ịlụ nwaanyị. Ụfọdụ ndị ntorobịa tozuru ịlụ di na nwunye anaghị enwezi ndidi ime nchọpụta niile e kwesiri ime tupu ha alụba di na nwunye. Ọ bụ nke a na-eme na di ka oge na-aga, ha na-achọpụtazi ihe ụfọdụ banyere onwe ha, ha agakwaghị enwe ike iguzogide mgbasa ma ọ bụ nketọ. Ọ bụrụ na agbasoo ezi usoro ndị Igbo mbụ debere maka alụm di na nwunye, ọ ga-esi ike di na nwunye inwe nsogbu agaghị enwe ụzọ a ga-esi dozie.

**Ịzulite nnwa**

Ndị Igbo kwenyere na nnwa bụ nnukwu ngọzị si n'aka Chineke. Ọ bụ nke a mere na ha na-agba mbọ dị iche iche iji hụ na nnwa batara n'ezinụlọ ha. Ha kwenyere na ịzụ nnwa dị nnukwu mkpa maka na nnwa a zụghị azụ na-ebutere ezinụlọ ya ihere.

Ịzụlite nnwa abụghị ọru otu onye n'ala Igbo. Ọ bụ ya mere na ndị Igbo na-asị na “ọ bụghị otu onye nwe nnwa”. Ha na-egosipụtakwa nke a site n'aha dị iche iche ha na-agụ ụmụ ha dị ka: Adaọra, Obiọra, Nwaọra, Ọhazurume dg.. Ndị Igbo kwenyere na ịzụ nnwa bụ oke na ọrụ onye ọ bụla bụ onye Igbo. Site n'ezinụlọ rue n'ụmụnna, ogbe, obodo nakwa ala Igbo niile, onye Igbo ọ bụla nwere ọrụ ịgbaziri nwata; inye ya ndụmọdụ mgbe ọ bụla. Ọ bụ ihe mere eme na ọ bụ nne na nna nwatakịrị nwekarịchara ọrụ n'ebe nwata nọ n'ihi na ọ bụ ya na ha na-anọkarị; mana a tụrụ anya na onye ọ bụla na-ahụ nwatakịrị ahụ mgbe ọ na-eto ga na-adụ ya ọdụ; baa mba ma nwata mee ihe ọjọọ. Onye Igbo anaghị ekpuchi ihe ọjọọ ma ọ bụ sị na ọ bụghị nnwa ya kama a na-ewere ya dị ka ihe dị mma na ihe e kwesiri ime eme ka nwata Igbo ọ bụla wee tozue oke.

A na-esi n'ụzọ dị iche iche azụlite nwata. Ụdị ihe nwata mere ga-ekwu ụdị ahụhụ a ga-enye ya dịka o na-etolite. E nwere ike ịbara nwata mba, pịa ya ihe ma ọ bụ nye ya ahụhụ ọzọ dị ka ogo ya si dị. Nke a dabara n'ihe akwụkwụ Nso kwuru banyere ịzụlite nwata.“Zụlite nwata dị ka ụzọ ya si dị, ọ bụna mgbe o mere okenye ọ gaghi esi n’ime ya pụọ”(Ilu 22:6).“Mkpa-n’aka na iba mba na-enye amamihe: ma nwata nke a na-arapụ n’onwe ya na-eme ka ihere mee nne ya”(Ilu 29:15). Ịpịa nwata ihe dabara na ọdịbendị ndị Igbo mana ebe Igbo na-agbarụ iru bụ ịpịa nwata ihe karịrị ya ma ọ bụ iji iwe merụọ nwata ahụ. E wezuga nke a, ịpịa ịtarị so n'ụzọ pụtakarịsịrị ihe e si eme ka nwata mara na ihe o mere adịghị mma. Ụfọdụ agbụrụ dị ka ndịọcha ụfọdụ ekwenyeghi n’iji ụtarị zụọ nnwa. Nke a abụghị ọdịbendị ndị Igbo, mana taa ụfọdụ nne na nna Igbo anakwaghi eji ụtarị azụlite ụmụ ha; ha anakwaghị ekwe ka onye ọ bụla pịa nwa ha ihe. E nwekwuziri ụlọ akwụkwọ ebe anaghị apịa nwata ihe n’agbanyeghi ụdị ihe ọjọọ nwata nwere ike ime. Ọnọdụ dị otu a jọgburu onwe ya n’ihi na ọ na-eme ka ụfọdụ ụmụaka ghara inwe nsọpụrụ.

Dị ka chi na-efo, a na-ahụtazi na ndị Igbo ụfọdụ ejizighi ịzụlite ụmụ ha kpọrọ ihe. Ndị nne, bụ ndị ọ bụkarịsị ọrụ ha ịzụlite ụmụ ha anaghị enwezi ohere ime nke a n'ihi na ụfọdụ n'ime ha bụ ndị ọrụ oyibo na ndị ji ego achụ ego. A na-agbasozi ụzọ ọgbara ọhụrụ nke esi na ngwakọrịta ọdịbendị ndị ọzọ amụta azụlite ụmụ ha nke gụnyere: ibidoro nwa na-aṅụ ara akwụkwọ (ya bụ ikuga ya ebe a na-elekọta ha anya ma ọ bụ ịchọta onye a ga na-akwụụgwọ maka iledo nnwa anya rue mgbe nne na nna lọtara.

**Ọrụ ụmụaka n'ezinụlọ**

Onye ọ bụla nwere ọrụ ya n'ezinụlọ ndị Igbo. Ọrụ ụmụaka bụkarị iji mee ka ha mụta ezi agwa ga-enyere ha aka na ndụ. Nka a mere na ndị Igbo na-amalite n'oge ime ka ụmụaka mara ọrụ ha.

> N'ala Igbo, onye ọ bụla nwere oke na ọrụ ya n'ezinụlọ, ma okenye ma nwata, ma nwaanyị ma nwoke. Ndi Igbo kwenyere na obere azụ kpata obele nkụ, nnukwu azụ akpata nnukwu nkụ n'ihi ya ọrụ dị n'ezinụlọ nwere ndị bụ ụmụaka na-eje ya iche mana ndị okenye nwekwara ike ije ya ma ọ bụrụ na o nweghi nwata nọ nso. Ụmụaka nwere ọtụtụ ọrụ n'ezinụlọ. Ọ bụ oke na ọrụ ụmụaka ịza mbara ezi be nna ha na nne ha n'ụtụtụ ọ bụla. Ọ na-abụ apụta ụra n'ụtụtụ ha eburu ụzọ kelee nne ha na nna ha na ndị ọzọ ha na ha bi n'ụlọ. Ha na-etukwa ndị okenye aha (Ogbalu, 1981).

Ụfọdụ n'ime ọrụ ụmụaka ndị ọzọ dịka Ogbalu siri depụta ha gụnyere:

> ...ikpo ntụ ụtụtụ, ichu mmiri na ịkpata nkụ, igbute nri ewu, inye aka n'ọrụ ugbo, isi nri, ilekọta ụmụ enunu, ilekọta ụmụ nne ha, ilekọta nne na nna ha ikwu na ibe ma ọ bụ nne nne na nna nna ha. Ihe ndị a bụ ihe e jiri mara ụmụaka Igbo ma werekwa ya na-azụlite ha.

Mana taa, ndị nne na nna ụfọdụ anaghị enwezi ohere ịzụlite ụmụ ha ma ya fọdụzie ịkụziri ha ụzọ ndụ ndị Igbo. Ihe a na-emezi taa bụ ịchọta onye ọrụ ya bụ ije ozi dị n'ezinụlọ na ilekọta ụmụaka anya. Ụfọdụ nne na nna na-achọta onye maara esi nri nke ọma na-akwụ ya ụgwọ maka isi ụdị nri dị iche iche; ebe ụmụaka ndị a mụrụ n'ezinụlọ bụ ndị e nweghi ezigbo ozi ha na-eje karịa ilele igwe onyoonyoo na igwuri egwu dị iche iche nke e ji ekwentị egwu.

N'oge mbụ n'ala Igbo, e nwere ozi ụmụnwoke na-eje nwee nke ụmụaka ndị nwaanyị na-eje. A na-akpachapụrụ ọzụzụ ụmụaka ndị nwaaanyị anya nke ukwu n'ihi na mgbe adịghị anya, ha ga-alụ di nwee ezinụlọ nke ha. Ọ bụrụ na a zụghị nwata nwaanyị nke ọma, ọ ga-ebutere ezinụlọ ya ihe ihere; n'ihi na o rue na be nwoke (di ya) ọ gaghị enwe ike ilekọta ezinụlọ anya nke ọma. Ụfọdụ agwa ụmụ agbọghọ na-akpa nke sitere na mmekọrịta ha na agbụrụ ndị ọzọ, mmepe na awamanya nke oge a nọ na ya gụnyere: ịta chamchamcham, inwe mmasị n'iri nri ndị chere were, ịkwanye mbọ adịgboroja,

ịkwanya ntutu na mpupe anya, iji ụdị ude na ncha dị iche iche na-agbanwe ụcha mmadụ na-ete n'ahụ, iyi akwa na-ekwesighi ekwesi chaa chaa nke ndị Igbo na-akpọ"eyim akwa ma agba m ọtọ". Ihe ndị a niile bụ nnukwu nsogbu cheere agbụrụ Igbo aka mgba. Nsogbu ndi a niile bụcha ihe ndị sitere n'ebidoghi n'oge zụlitewe ụmụ aka n'ụzọ kwesiri ekwesi.Ụfọdụ nne na nna anaghị ekwe ezi ụmụ ha ozi ụmụaka kwesiri ije n'ụlọ, kama ha na-egote ndị ga-eme ihe ndị ahụ ma ọ bụ ha gaa ahịa zụta ihe ndị akwadogoro nke ọma n'ihi na ike ịrụ ọrụ adịkwaghị onye ihu na onye azụ.

**Ikele mmadụ**

Ndị Igbo bụ ndị mmekọ ha na ibe ha na-amasị. Otu ụzọ ndị Igbo si ezipụta obi ụtọ na mmasị ha nwere ebe onye ọzọ nọ bụ site n'ekele. Mgbe gboo, onye Igbo agaghị agafe onye Igbo ibe ya n'ekeleghi ya. Ekele ndị Igbo bụ ihe a na-ewepụtara oge n'ihi na ndị Igbo ejighi mmekọrịta mmadụ na ibe ya egwu egwu. Ubesie (2010) si na“ekele dị nnukwu mkpa n'ala Igbo nke bụ na onye Igbo na-ekele ekele n'ụbọchị karịa ugboro oleọ na-aṅụ mmiri. I nwere ike ịwọ mmadụ awọ ihe oriri mana ị wọọ mmadụ awọ ekele,ọ na-adị ya njọ karịa”.Ndị Igbo nwere ekele maka oge na nọdụ dị iche iche. Ha na-achọpụta maka ọdịmma mmadụ tinyere ọnọdụ ezinụlọ onye ahụ site n'ekele. Otu ụzọ e si ama nwatakịrị a zụrụ nke ọma n'ala Igbo bụ site n'ekele. A na-esit na nwata kuziere onye Igbo ọ bụla ka e si ekele ekele. Ihe mbụ a na-eme n'ụtụtụ bụ ikele nne na nna na ndị okenye ndịọzọ. Ekele ndị ọzọ gụnyere ikele onye na-arụ ọrụ, onye ọrịa, onye si esi ma ọ bụ ahịa lọta, onye na-eme njem, onye nyere mmadụ ihe, onye nwetara nzere pụrụ iche, onye mụrụ nnwa ọhụrụ, onye mmadụ nwụnahụrụ tinyere onye nyere mmadụ ezigbo ndụmọdụ.Taa, ọ na-esi ike ịhụ nwata na-ekele ekele otu o si kwesi. Ịma atụ: Ndị Ngwa na steeti Abia nwere ekele pụrụ iche nke ha ejighi egwuri egwu. Ekele ha dịwaga iche nke a na-ewepụtara oge. N'obodo ụfọdụ dị n'okpuru ọchịchị Osisi-ọma Ngwa, a chọpụtara na o nweghi ihe dị ka ekele ọgbaraọhụrụ nke ndị ọcha wetere n'ala Igbo n'oge ugbu a. Ọ bụ ndị ọbịa, ndị gụrụ nnukwu akwụkwọ na ndị pụrụ ụzọ ije webatara ekele ọgbaraọhụrụ. Rukwaa taa, ndị bi n'ime ime obodo n'okpuru ọchịchị ahụ ka na-ekele ekele e jiri mara ha. Ọ bụ eziokwu na ọ bụchazighi otu e si ekele ya na mbụ ka e si ekele ya ugbu a. Ekele ha n'oge mbụ na-aga n'usoro a:

| **Ekele:** | | **Ọzịza:** |
|---|---|---|
| Maazị | - | Nde |
| Naawo | - | Nnanwaafọ |
| Kaa nka | - | Nka m na gị |
| Dabiri | - | Kpewere Chi gị |

Ugbu a, n'ihi ngwakọrịta omenala na mmụta ọgbaraọhụrụ, a na-egbubizi ekele a egbubi; n'ihi na ọ dị onye ọ bụla ọsọọsọ tinyere na ọ na-eme ụfọdụ ihere iji asụsụ ha enwe mmekọrịta. N'oge ugbu a, ọ bụzi naanị ekele nke mbụ na nke abụọ dị ka e siri depụta ha n'elu ka a na-ejisi ike ekele, ebe ndị ọ dị ọsọọsọ na-ekele naanị nke mbụ. N'ọnọdụ a, n'oge eteghi aka, ọdịbendị dị otu a ga-abụ ihe e chefuru ma ọ bụrụ na o nweghi ihe e mere gbasara ya ngwa ngwa.

**Ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya**

Onye ọ bụla bụ onye Igbo bụ onye nche nwanne ya. A maara ndị Igbo dị ka ndị na-enwe ezi mmekọrịta n'etiti onwe ha. Ndị Igbo na-emekọrịta n'ụzọ dị iche iche na kwa n'ụdị dị iche iche. E nwere mmekọrịta nwanne na nwanne; nwee mmekọrịta n'etiti ụmụnna, enyi na enyi, ndị ọgbọ tinyere mmekọrịta ọgọ na ndịọgọ. Ilu Igbo ụfọdụ na-

egosi nkwenye ndị Igbo n'ebe mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị, ọkachasị mmekọrịta nwanne na nwanne gụnyere: 'Onye aghala nwanne ya';'ọkọ kọba anụmanụ, ọ gaa n'osisi mana ọ kọba mmadụ, ọ gakwuru nwanne ya ka ọ kọọ ya';'iwe nwanne anaghị eru n'ọkpụkpụ';'onye biri ibe ya biri' dg. Ndị Igbo na-emekarị ihe n'ọgbọ n'ọgbọ ma ọ bụ n'ebiri n'ebiri. Ndị so n'otu ọgbọ nwere ike ịgara onye otu ha ọrụ.

**Nnyerịta aka ndị Igbo**

Otu ihe ọzọ e jiri mara ndị Igbo bụ inyerịtara onwe ha aka. Nke a so n'otu n'ime ọdịbendị siri ike na ndụ ndị Igbo. A na-egosipụta nke a n'ogo dị iche iche; site n'ezinụlọ ruo n'obodo. Dị ka Ogbalu siri kọwa, 'nwoke nwere ezinụlọ n'ala Igbo bu nnukwu ibu nke na-anyịji ya olu. Ọ ga-enyere nne na nna ya aka ma ha nọdụ ndụ; ọ ga-enyere ụmụnne ya ndị ọzọ, ndị ọgọ ya, ụmụ nwadiala ya na ndị ọ bụla metụtara ya aka. Nke a adịghị mfe mana ndị Igbo ejighi ya egwu egwu n'ihi naọ bụ ya bụ na ndụ na-aga n'ihu ma na-atọkwa ụtọ (Ogbalu, 1981:194-196). A na-ahụta onye nwere ego na-achọghị inyere ndị metụtara ya aka dị ka ajọ mmadụ. Ndị Igbo hụtara ụba dị ka ihe si n'aka Chukwu; nke a na-apụta ihe n'aha ha na-aba ụmụ ha dị ka:'Ụbasinachi', 'Chinenye', 'Chinweụba' Akụchukwu dg. Ha na-ahụta akụnaụba dị ka ihe Chukwu na-enye onye masịrị ya. Atụmanya bụzi na-onye chi gọziri ga-agọzi ụmụnne ya. Ọ bụ ya ka Igbo ji ekwu si "onye e nyere ya nye".

N'ala Igbo, nwanne na-enyere nwanne ya aka, ikwu na-enyere ibe ya aka, ọgọ na-enyere ọgọ ya aka, ndị dị n'ọgbọ na-enyerịtara onwe ha aka, ụmụnne nwere ike ijikọ aka ọnụ lụọrọ nwanne ha nwaanyị, ụmụnna nwere ike tụkọta ego nyere otu n'ime nwanna ha aka. Mgbe mbụ n'ala Igbo, ịgụ akwụkwọ bụ ihe dị oke ọnụahịa, ọkachasị ịgụ akwụkwọ n'ogo dị elu. Ụfọdụ ndị gụrụ akwụkwọ dị elu n'ala Igbo n'oge gboo bụ ụmụnna ha nyeere ha aka n'ụzọ dị iche iche. Ụfọdụ ka ụmụnna ha zigara obodo oyibo maka agụmakwụkwọ.Ụdị ihe dị otu a adịkebezighị n'ala Igbo n'ihi mgwaramgwara dị iche iche batara n'ala Igbo. Mgbe mbụ n'ala Igbo, e nweghi ndị arịrịọ; ya bụ, ndị ji arịrịọ mere aka ọrụ n'ihi na ndị Igbo bụ ndị nche nwanne ha. Ọ bụ ihe ihere nye ezinụlọ ma ọ bụ ụmụnna ọ bụla nwanne ha na-arịọ arịrịọ.Ọ bụ ya mere na ezinụlọ ọ bụla na ụmụnna dị iche iche na-eleru anya n'ihe gbasara agamnihu ụmụnne ha. Ha na-atụkọta ego iji gwọ nwanne ha na-arịa ọrịa, ọ kachasị ọrịa ezinụlọ onye ahụ enwezighi ike ịgwọ. Ụfọdụ ihe ndị ọzọ Igbo na-emerịtara onwe ha gụnyere: ichu mmiri, ịrụụlọ, ikpo aja, ịrụ ọrụ ugbo dg.

**Ịdị uchu**

Ndị Igbo bụ ndị dị ike ọrụ ma dịkwa uchu. N'ala Igbo, a na-ele onye enweghi ezigbo ihe (aka ọrụ) ọ na-eme anya dị ka onye abaghị uru ọ bụla. Nkwenye ndị Igbo n'inwe ezigbo aka ọrụ ma ọ bụ ịrụsi ọrụ ike na-apụta ihe n'ụfọdụ ilu ha na-atụ: 'Onye rụọ, ya rie', 'a rụọ n'anwụ, e rie na ndo', 'aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ' dg. N'oge gboo, e ji ịdị uchu ọrụ ama nwoke tozuru etozu ga-enyenwu ndị be ya nri. Ọ bụ ọba ji nwoke nwere ka e ji ama onye bụ ọgaranya. N'otu aka ahụ, e jikwa ezi agwa na ịdị uchu ama ezigbo nwaanyị a ga-alụ alụ. Nke a mere Igbo ji asị na "agwa bụ mma nwaanyị". Mana taa, n'ihi mmụta sitere na mmekọrịta ndị Igbo na agbụrụ ndị ọzọ, e jikwaghị ịdị uchu ama nwoke tozuru oke; kama ihe e ji amazi nwoke tozuru oke bụ ụdị ụgboala ole onye ahụ nwere; ụdị ụlọ o bi na ya tinyere ụlọ ole o nwere n'ebe dị iche iche. Ụfọdụ oge, a nakwaghị achọ ịma ụdị ọrụ onye ahụ na-arụ nke o si na ya enwete ego. N'ala Igbo taa, onye ọ bụla nwere ego na-enwe ugwu pụrụ iche; a na-enyekwa onye ọ bụla

nwere ego ọnọdụ pụrụ iche. N'ebe ụfọdụ, ọ bụ ndị akajiakụ ka ọchịchị dị n'aka n'ogo dị iche iche; ọ bụ ha na-ekwu ihe na-eme ma ọ bụ ihe a ga-eme. N'obodo ụfọdụ n'ala Igbo, e ji ego azụta ihe ọ bụla; e ji ya azụta obi ndị mmadụ; ọkwa ọchịchị na kwa ihe ọ bụla onye chọrọ.

N'akụkụ ụmụ nwaanyị, n'ihi ụdị ọzụzụ nne na nna na-enye ụmụ ha, ọ na-esi ike ịhụ nwaagbọghọ na-eje ozi nke ọma. Oke ịchọ mma anaghị ekwezi ụmụagbọghọ emetụ ọrụ ụfọdụ a na-arụ n'ala Igbo aka. Site na mmekọrịta ndị Igbo na mba dị iche iche, ndị Igbo amụtala ịkwanye mbọ na ite ụdị ude dị iche iche na-eme ka aka mmadụ dị nro. Nke a mere na ọ bụkwaghị ọrụ ọ bụla ka onye ahụ ga na-arụ. Ịma atụ: Onye kwanyere mbọ ndịọcha, agaghị eji ya sụọ akwa ma ọ bụ rụọ ọrụ ugbo. Ụdị ọrụ a na-achọzi n'ala Igbo bụ ọrụ ndịọcha, nke a ga-anọ n'ime ụlọ jụrụ oyi, nọdụ n'elu oche na tebulu na-arụ. Onye ọ bụla chọrọ ịga obodo mepere emepe ebe a ga-ahụ ụdị ọrụ achọghị mgbakasị ahụ.

Ebe ọ bụ na o nwezighi onye na-ajụ ihe onye na-arụ wee na-enwete ego, onye ọ bụla na-achụ ego n'ụzọ abụla ụzọ ka o wee dị ka ibe ya ma ọ bụ sonye na ndị ọnụ na-eru n'okwu. Ụdị ọnọdụ a na-ebute ọdachi dị iche iche taa n'ihi na ụfọdụ na-eme ihe ọjọọ dị iche iche ha chere na ha ga-esi na ya nwete ego ọsọọsọ dị ka; izu ohi, ịtọ na ire mmadụ, ịtụ mgbere anwụrụ ike, ịgwọ ọgwụego, ịgba ama ụgha, igwu wayo, na kwa wuruwuru dị iche iche, tinyere ịna aka azụ. O nwekwaghi ihe onye Igbo ga-emere ibe ya n'efu; ọ ga-achọrịrị ka e nye ya ego, nke a na-akpọ ịmachi akpa. Tupu mmadụ e nwete ọrụ ngo ụfọdụ, a ga-akpa ego ole a ga-eji machi ndị ụfọdụ akpa tupu ihe a na-ekwu enwee isi. Nke kacha njọ bụ na o nwere ndị bụ naanị ego mmachi akpa ka ha ji eriju afọ. E nweziri ndị ọrụ ha n'ala Igbo bụ ọrụ 'ejentị' ya bụ ndị na-enye aka achọtara ndị ọzọ ihe dị ka ụlọ, ala, ọrụ, onye ahịa dg.. E nwechara ego ole a na-akwụ ndị na-arụ ụdị ọrụ a, nke a emeela ka ụfọdụ ndị Igbo were ha mere aka ọrụ.

N'ebe ụfọdụ n'obodo mepere emepe n'ala Igbo, a na-enwe otu dị iche iche. Ụfọdụ otu ndị a bụ ndị ọnụ na-eru n'okwu;ọ bụ ha na-ekwu ihe na-eme n'ebe dị iche iche, onye ọ bụla esoghi n'otu ahụ agaghị ama ihe ekwe na-akụ; onye na-esonyebeghi n'otu agaghị enwe ike inwete ụdị ihe ụfọdụ dị ka ọrụ ngo nwere agba (pụrụ iche). Ihe ụfọdụ na-emezi bụ ịbanye n'ụdị otu a ka ha nwee ike na-enwete ihe ha chọrọ mgbe ọ bụla. Mgbe ụfọdụ, ụdị otu a, abụkwanụghị ihe ofeke ga-emenwu ihe dị na ya. Ọ bụ nke a na-eme na ndị bụ ọgaranya ga na-abụwanye ọgaranya, ebe ogbenye na-abụwanye ogbenye n'ihi na aja a na-achụ iji sonye na ndị ọnụ na-eru n'okwu anaghị adịcha mfe.

**Ụzọ mkpata akụ**

Agbụrụ dị iche iche nwere ụzọ dị iche iche ha si akpata akụ. Tupu ndịọcha abịa n'ala Igbo, ndị Igbo nwere ihe dị iche iche ha na-eme iji lekọta ndụ anya. Ndị Igbo bụ ndị dị ike ọrụ dịkwa uchu. Ụfọdụ ụzọ mkpata akụ e jiri mara ndị Igbo bụ ndị a: ọrụ ugbo, ịchụ nta, ịsụ akwụ, ịkpụ ụzụ, ọrụ ngo, ịkụ azụ, igbu osisi, ịtụ ihe ọtụtụ, ite mmanya, igbu akwụ, ịkwa nka, ịkpa ihe dg.. Ihe ndị a bụ ihe dị iche iche ndị Igbo na-eme n'oge gboo iji na-eriju afọ ma na-egbokwa mkpa ndị ọzọ dịịrị ha. Ọ bụ ihe ọjọọ n'ala Igbo ịhụ nwoke na-enweghi aka ọrụ e ji mara ya nke o si na ya akpata akụ.

E lee anya na ndụ ndị Igbo n'oge ugbu a, a ga-ahụ na ụzọ mkpata akụ ndị Igbo na-agbanwe n'ike n'ike. Nchọpụta gosiri na imerime ndị Igbo anazighi agbaso ụzọ mkpata akụ e ji mara ndị Igbo n'oge gboo, kama, e nweziri ụzọ ọgbaraọhụru ndị Igbo si akpata akụ nke mere na a na-eledazi ụzọ mkpata akụ ndị Igbo anya.

Dịka chi na-efo, mmekọrịta ozuruwa na-abawanye, ihe gbasara azụmahịa na mgbasa ozi na-abawanyekwa. Ndị Igbo chọpụtara na ụzọ ọgbaraọhụụ dị iche iche na-enye ego ọsọọsọ karịa ọrụ aka dị iche iche e jiri mara ndị Igbo na mbụ. Nke a mere na ọtụtụ ndị Igbo ahapụla ụzọ mkpata akụ ndị Igbo n'oge gboo wee gbasorozie ụzọ mkpata akụ nke agbụrụ ndị ọzọ na nke ọgbaraọhụrụ. Ihe butere nke a bụ oke ọchịchọ na anya ukwu. Onye ọ bụla chọrọ ihe ọ ga-eme wee nwete ego nke taa na echi. O nwekwaghị onye na-enwe ndidi n'ihe gbasara mkpata akụ. Nsogbu dị otu a e meela ka ndị Igbo na-etinye aka n'ime ihe ọ bụla ego nwere ike isi na ya pụta, ma ọ dị mma ma ọ dị njọ. Ọ bụ nke a mere na, ụfọdụ ụmụ Igbo jiri izu ohi, ịtọ mmadụ, ire anwụrụ ike, ire anụ mmadụ, ịgba akwụna na igwu wayo mere aka ọrụ. Ụfọdụ n'ime ndị na-eme ihe ndị a jogburu onwe ha na-enwe ego na-esi isi nke na-emezi ka ọtụtụ ndị ntorobịa nwee mmasị isonye n'ụdị ndụ ahụ. Ọ bụ eziokwu na njedebe ndụ ndị ụfọdụ na-etinye aka n'ụdị ajọ ụzọ mkpata akụ ndị a na-agba anya mmiri, mana n'ihi oke ọchịchọ, ụfọdụ na-akachi ntị na-abanye n'ụdị ndụ a n'ihi na ihe ha chọrọ bụ ego.

N'oge mbụ, ndị Igbo anaghị ele onye ọ bụla akpataghị ego n'ụzọ dị mma anya ọma. A na-amapụ onye ọ bụla dị otu a dị ka onye mere arụ nke na o nweghi ihe ga-ejikọ onye ahụ na ndị ọzọ. Ndị Igbo na-ahụta onye dị otu a dị ka onye na-arịa ọria ekpenta nke ekwesighi ka ya na ndị ọzọ na-enwe mmekọrịta. E nwere ntaramahụhụ e nwere maka ndị dị otu a, nke onye ọ bụla na-ezere site n'ịkwụba aka ọtọ; ọkachasị n'ihe gbasara ịchụ nta ego. Ka ọ dị taa, a makwaghị onye na-akpa akụ n'ụzọ kwụ ọtọ na onye anaghị akpa n'ụzọ kwụ ọtọ n'ala Igbo. O kwesiri ka alaghachi azụ n'etu ndị Igbo si ebi ndụ n'oge mbụ iji mee ka ugwu ndị Igbo laghachi.

**Ekike**

Ekike sokwa n'otu ihe e ji ama agbụrụ onye si pụta. A na-esi n'ekike mmadụ mata ebe onye ahụ si. Ekike ndị Igbo dị iche n'ekike agbụrụ ndị ọzọ e nwere na Naịjirịa. A maara ndị Igbo n'oge gboo dị ka ndị na-eke ezigbo ekike; mana taa, ekike ndị Igbo na-agbanwe n'ụzọ kwesiri ka e lebagharịa anya. Ọ bụghị naanị na ndị Igbo na-enomi ejiji ndị agbụrụ ọzọ kama ha na-eṅomi ihe ekwesighi nṅomi chaachaa. Ọ bụ eziokwu na o nwere mgbe anaghị eyi akwa, mana ugbu a a na-eyizi akwa, o kwesighi ka a laghachikwa n'ịgba ọtọ. O kwesighi na mmadụ ga-eyi akwa ma ọ dịkwa ka onye ahụ eyighi akwa. O kwesiri ka ndị Igbo laghachikwa n'ejiji e jiri mara ndị Igbo karịa ime mpụ a na-eme ugbu a n'ụdị na a na-eke ekike. Nke a metụkarịrị ụmụ nwaanyị na ndị ntorobịa. Ma ndị nne ma ụmụ agbọghọbịa ga-akpachara anya n'ụdịekike ha na-eke maka na ọtụtụ n'ime ha na-akpụ ugwu ndị Igbo n'ala. N'agbụrụ niile dị na Naịjirịa, o nweghi ndị na-ahapụ ejiji ha ka ndị Igbo. Ebe ọ bụla a hụrụ onye Hausa, a na-amata ya site n'ekike ya. Ụmụ nwaanyị ha na-ekpuchi ahụ ha niile n'agbanyeghi ma oyi ọ na-atụ, ma okpomoku ọ na-ekpo.

**Ihe Oriri**

Agbụrụ dị iche iche nwere ụdị ihe oriri Chukwu jiri gọzie ha nke dị na gburugburu ha. Ndị Igbo so n'agbụrụ nwere ụdị nri na mkpụrụosisi dị iche iche. Tupu ndịọcha abịa n'ala Igbo, nri ndị Igbo nwere na-ezuru ha; ha na-enwete ihe dị iche iche na-edozi ahụ ha site na nri ha na-eri. Ụfọdụ nri ndị Igbo nwere gụnyere ndị a: ji, ede, abacha, fịọfịọ, akịdị, tinyere ụdị mkpụrụosisi na akwụkwọ nri dị iche iche. Mgbe ndị Igbo na-eri sọ nri dị na gburugburu ha, ha na-adị ogologo ndụ, ha anakwaghị arịa ụdị ọrịa dị iche iche a na-arịa taa. E nweghi ụlọọgwụ n'oge mbụ dị ka e si nwee ya taa. Ahụ na-agbasi ndị

mmadụ ike n'oge gboo karịa ka ọ dị taa. Ajụjụ bụzi kedụ ebe nsogbu banyere ahụike na ụdị ọrịa dị iche ndị Igbo na-arịa taa sitere? Ụsa ndi e nwetere site n'aka ndị a gbara ajụjụọnụ na-egosi na ndị Igbo anazighi eri nri ndị e jiri mara ha na mbụ, kama onye ọ bụla na-eri nri ndị si agbụrụ ọzọ ọkachasị nri ndịọcha nke a na-ahụta dị ka nri pụrụ iche n'ihi na a na-ere ha oke ọnụ ahịa.

Oke mmụta na ngwakọrịta ndị Igbo na agbụrụ ndị ọzọ site n'ihe ngosi dị iche iche nakwa njepu emeela ka ndị Igbo ghara ịdị na-enwezi mmasị n'iri nri ndị Igbo otu o kwesiri. A chọpụtakwara site n'akwụkwọ nchọcha dị iche iche na ụfọdụ n'ime nri ndị a na-eri ugbu a, ọkachasị ndị agbara n’iko na ndị echekwara n'ụdị dị iche iche bụ nnukwu nsogbu nye ahụike n'ihi na ihe ụfọdụ e ji eme ha na ihe e ji echekwa ha abụghị ihe dị mma n’ahụ mmadụ. Nke ka njọ bụ na ụdị nri ndị a si agbụrụ ọzọ enwetela ezigbo ọnọdụ na ndụ ndị Igbo tụmadị ndị bi n'obodo mepere emepe nke na ọ bụzi ihe siri ike ịkwụsị iri ụdị nri ndị ahụ. Ụfọdụ ndị ntorobịa amaghị ihe gbasara nri ndị Igbo ma ya fọdụ irịtụla ha mbụ n'ihi na nne na nna ha ejighi nri ndị ahụ zụọ ha. Ụfọdụ mmadụ anwụọla site n'ọrịa dị iche iche, ebe ụfọdụ nọ n'ọrịa n'ihi ụdị nri a na-erizi n'oge ugbu a. Ịma atụ: Ihe oriri ụfọdụ a na-akọpụta n'ala Igbo dị ka osikapa anaghị amasị ndị Igbo dị ka osikapa nke ndị mba ofesi.

**Ntụtegharị eziagwa na ọdịbendị ndị Igbo**

Dị ka e kwuru na mbụ, ntụte pụtara ime ka ihe nwụrụ anwụ ma ọ bụ ihe na-achọ ịnwụ anwụ dịkwa ndụ ọzọ. Ọ bụ ihe doro anya na ezi agwa na ọdịbendị ndị Igbo na-anwụnyụ anya. N'ọnọdụ dị otu a, e nwere ihe abụọ gbara ọkpụrụkpụ e nwere ike ime- nke mbụ bụ ileghara ọnọdụ a anya, ebe nke abụọ bụ ịchọpụta ụzọ a ga-esi tụgharịa ọnọdọ ọjọ a. Nke ọ bụla e mere n'ime ihe abụọ ndịa nwere uru na ọghọm nwere ike isote ya. N'ebe a, a ga-eleba anya n'ọghọm nwere ike ịpụta ma ọbụrụ na eleghara ịtụte ezi agwa na ọdịbendị anya nakwa uru ọ ga-abara ndị Igbo ịtụte eziagwa na ọdịbendị ha. Ọ bụrụna ahapụ ọnọdụ ndị Igbo dị ka ọ dị taa n'agbaghị mbọ ọ bụla iji mee ka eziagwa na ọdịbendịIgbo kwụrụ chịm, mgbe na-adịghị anya, a ga-echefu ihe gbasara ihe e ji mara ndị Igbo. Agwa na ọdịbendị agbụrụ ndị ọzọ ga-anọchizi anya nke ndị Igbo. Mgbe nke a mere, ndị Igbo agakwaghị enwe ọnụ okwu n'ebe o bụla. Ha ga-abụzi ndị ga-anọ n'okpuru ndị ha na-agbaso ọdịbendị ha. Ọ bụrụ na ndị Igbo hapụ ka ọdịbendị ndị ọzọ nọchite anya nke ha, ihe ọ pụtara bụ na ha ga na-ekwenye n'ihe ọ bụla gbasara agbụrụ ahụ. Ọ bụrụ na ndị Igbo azọghị onwe ha taa, n'oge na-eteghi aka, o nwekwaghị ka a ga-esi cheta ihe ndị e ji amata ndị Igbo n'ihi na ndị maara maka ha ga-alachago mmụọ. Onye na-enweghi ihe e ji mara ya bụ ọ dị ndụ ọnwụ ka mma.Ọ ga-abụ ihe ihere ma ndị Igbo gbachi nkịtị ka ọnọdụ di otu a dịrị na-aga, ihe ọ pụtara bụ na mbọ ndịichie Igbo gbara wee hibe ezi agwa na ọdịbendị ndị Igbo ga-abụzi ihe lara n'iyi.

Ka ọ dị ugbu a, a na-eche na ọnọdụ Igbo nọ na ya taa abụghị ebe ha kwesiri ịnọ. E lee anya n'agbụrụ niile dị na Naịjiria, a ga-achọpụta na o nweghi agbụrụ na-ahụju anya dị ka ndị Igbo. O nweghi agbụrụ a na-emegbu dị ka e si emegbu ndị Igbo. A na-ahụta ọnọdụ ọjọọ ndị Igbo nọ na ya taa dị ka otu n'ime ọghọm na-eso ejighi ezi agwa na ọdịbendị ndi Igbo kpọrọ ihe. Ọ dị mkpa ka a mata na agbụrụ ọ bụla nwere ala ebe ha bi ma nwekwaa ụmụ mmụọ na-achịkwa ala ahụ. Mgbe ndị nwe ala bikwa n'ala na-emegide ọdịbendị ala ahụ, ụmụ mmụọ ndị a ga na-ewe iwe, ha nwekara ike ibutere ndị bi n'ala ahụ nsogbu. Ịmaatu: Obodo America dị ka ọ dị n'akwụkwọ akụkọ chọpụtara na ihe adịkwaghị etu ọ dịbu n'ala America. Ha chọpụtara na nsogbu ha sitere n'ileghara

ọdịbendị ha anya dị ka ụkpụrụ nna nna ha tọọrọ ha siri dị. Ọtụtụ iwu ka onye isi ala ha bụ Trump guzobegoro malite mgbe o ji bata n'ọchịchị iji weghachite ugwu ndị mba America (http://www.bbc.com/news/world-us-canada-42882887). Nke a bụ ihe ziri ezi ma bụrụkwa ihe agbụrụ ọ bụla kwesiri iṅomi. Ọ dị mkpa ka ndị Igbo chemie echiche ime gbasara ntọala ha na ihe ndị e jiri mara ha na mbụ.

N’aka nke ọzọ, ọ bụrụ na o nweghi ihe ndị Igbo mere gbasara ọnọdụ a (ya bụ ịtụteghari ezi agwa na ọdịbendị ha), agwa na ụzọ ndụ jọgburu onwe ha a na-amụta site na mmekọrịta na ngwakọrịta agbụrụ ndị ọzọ ga-ewegharazi ọnọdụ n’ala Igbo, mgbe ahụ ihe ọjọọ dị iche iche karịrị ndị anyị na-ahụ taa ga-ejuputazi ebe niile. Ya bụ, a na-eche na ọ ka mma ibido taa chọba ewu ojii ka e wee gbanahụ ọdachi.

**Mmechi**

Ezi agwa na ụzọ ndụ ndị Igbo akpụọla afọ n'ala; nke mere na ugwu ndị Igbo arụọla. Ihe e jiri mara ndị Igbo agbanwechaala nke na ndị Igbo achịkọtakwaghị onwe ha. Ọtụtụ agwa e jiri mara ndị Igbo dị ka: ịdị uchu, ịrụsi ọrụ ike, ịgba mbọ, ịgụsi akwụkwọ ike (site na mgbe agụmakwụkwọ malitere n’ala Igbo), ikwu n'eziokwu abụrụla ihe mgbe ochie (Nwadike, 2003:1-7).

Ndị Igbo bụ ndị e jiri ezi agwa ndị edeputara n'elu mara tupu ndịiọcha abata ha ime ma ghasaa ihe jikọrọ ha ọnụ site n'iwebata agwa ọjọọ dị iche iche ndị Igbo na-agbarụrụ ihu n'oge gara aga. Nke a wetere mgbanwe dị iche iche na ndụ ndị Igbo mezie ka e nwee ụdị ndị Igbo agbaọhụụ ndị nwere ike iji n'ihi ego mee ihe atụghị anya, ndị ngana, ndị achọghị ịta ahụhụ ma ọ bụ gbaa mbọ iji mejupụta ma ọ bụ nwete ebumnobi ha, ndị enwezighi afọ ojuju na ha bụ ndị Igbo. N'ọnọdụ dị otu a, agbụrụ Igbo nọna nnukwu nsogbu nke bụ na a kpachaghi anya oge na-adịghị anya, a gaghị enwezi ihe dị ka agbụrụ ndị Igbo n'ihi na ụfọdụ ndị Igbo nwere ike iji n'ihi ego ree ụmụnna ha (Ezeoke, 2008:36-59).

Obodo ọ bụla enweghi ezigbo ntaramahụhụnye akparamagwa ọjọo dị iche iche agaghị akwụdosi ike. Ọ bụrụ na agbụrụ Igbo ga-akwụdosi ike, a ga-eleghachi anya azụ, chọpụta ihe niile dị mma ndị Igbo na-emebu n’oge mbụ ma weghachite ha azụ n’etufughi oge. Ka ọ dị taa, onye ọ bụla na-akpa agwa etu o si sọ ya n'ihi na ụdị ndụ ndị Igbo si n'aka ndịọcha amụta bụ ndụ onye na nke ya onye na nke ya; nọdụrụ onwe gị ka m nọdụrụ onwe m.

**Aro**

Obodo dị iche iche n'ala Igbo kwesiri ileghachi anya azụ chọpụta akparamagwa ndị be ha na-agbarụrụ ihu n'oge gboo, ndị dị njọ n'eziokwu, bipụta ha n'akwụkwọ, mee ka o rue otu dị iche iche aka. N'ime akwụkwọ ahụ, a ga-eme ka ntaramahụhụ na-eso akparamagwa ọjọọ dị iche iche doo anya. A na-eche na nke a ga-eme ka ndị mmadụ tụgharịwa uche banyere ụfọdụ ihe ha nwere ike ime na nke ha agaghị eme.

Ọ dị mkpa ka obodo ọ bụla chọpụta ụdị aka ọrụ e jiri mara ha. Ọ bụrụ na ndị nwere aka ọrụ ahụ ka dị ndụ, a ga-arịọ ha ka ha wepụta oge kụziere ndị ntorobịa ihe gbasara aka ọrụ ha. Nke a ga-eme ka aka ọrụ ndị ahụ, ọkachasị ndị bụ ọnatarachi ghara ifu ọhịa. Ndị ọchịchị dị n’aka n’obodo ọ bụla ga-enye aka kwado ndị mụtara ọrụ aka ndị ahụ nke ọma ka ha malite igosipụta aka ọrụ ha. N’ụzọ dị otu a, aka ọru ndị ahụ agaghị efu ọhịa.

Ndị ọnụ na-eru n'okwu, ndị maara mkpa ọdịbendị dị kwesiri inye aka site n'ịchịkọba ọgbakọ nkuzi ebe a ga na-akụziri ndi Igbo maka ọdịbendị ha. Nke a bụ ihe dị mkpa n'ihi na ụfọdụ ndị Igbo amaghị ọdịbendị ha. A ga-etinye anya na mmiri họpụta ndị hụrụ agbụrụ Igbo n'anya na kwa ndị ihe ọma na-adị mma bụ ndị a ga-ahanye ihe gbasara idepụta akparamagwa di iche iche ala Igbo na-asọ nsọ nakwa ntaramahụhụ na-eso ha. Ọ dị mkpa ka e mee nke a ngwangwa tupu ndị okenye, ndị maara ihe gbasara ndụ naọdịbendị ndị Igbo alachaa mmụọ. Obodo ọ bụla ga-achọpụta ụzọ di iche iche ndị Igbo si emeso ndị mere ihe ọjọọ oge gboo. E lebaa anya n'ụzọ ma ọ bụ ihe ndị ahụ, a tụlee ha ma wepụta ndị dị mma dabara adaba weghachite ha iji wetekwa egwu na nsọpụrụ n'ala Igbo. Ntaramahụhụ dị ka ịmapụ onye gburu mmadụ n'ụmụnna ma ọ bụ n'ogbe, dị mma ka e weghachite ya ka mmadụ ghara iji ndụ ibe ya na-egwuri egwu.

Ọ dị mkpa ka ndị na-ahazi agụmakwụkwọ n'ala Igbo tinye ihe ọmụmụ gbasara omenala na ọdịbendị Igbo ka ọ bụrụ otu ihe n'ime ihe ndị a na-amụ n'ogo mmụta dị iche iche n’ala Igbo. O kwesiri ka e lebaa nke a anya ngwa ngwa n'ihi na ọ bụrụ na ndị na-etolite etolite amaghị ihe gbasara omenala na ọdịbendị Igbo tinyere ihe ndị bụ ezi agwa a na-atụ anya n'aka nwa afọ Igbo ọ bụla, ha ga na-eṅomi akparamagwa ọ bụla masịrị ha n'agbanyeghi agbụrụ nwe ya n'ihi na e meghi ka ha mara nke bụ nke.
Ọzọ dị ka ibe ya bụ na o kwesiri ka e webata akụkọ mmalite ndị Igbo na ihe niile e ji mara ndị Igbo dị ka otu mpaghara ihe ọmụmụ mee ya ka ọ bụrụ iwu na a ga na-akụziri ya ụmụaka na ndị ntorobịa n'ogo mmụta dị iche iche. Nke a ga-enye aka ime ka ndị na-eto eto mara ebe ha si, mmalite ha na ihe ejiri mara ha dị ka Barcon (n.d) siri kọwa, ‘Omenala na ọdịbendị bụ ntọala ezinụlọ na obodo dị iche iche, ha bụ ihe na-echetere mmadụ na mmadụ nwere mmalite nke kwesiri ịhazi ndụ mmadụ dị taa na kwa ihe ndụ mmadụ kwesiri ịbụ n'ọdịnihu’.

Ihe mmadụ na-eri dị nnukwu mkpa maka ahụike onye ahụ. Ọ dị mkpa ka ndị Igbo leghachi anya azụ na ndụ ndị Igbo biri n’oge gboo. Ọ bụrụ na ha anaghị arịa ụdị ọrịa a na-arịa taa ma na-adịkwa ogologo ndụ, e kwesiri ileba anya n'ụdị nri ha na-eri oge ahụ. E chere na nri ha na-eri oge ahụ na ụdị ọrụ ha na-arụ socha mee ka ha ghara ịna-arịa pịị pịị pịị ma na-adịkwa ogologo ndụ. E kwesiri inwe iwu na-achịkwa ihe mmadụ nwere ike iyi n'ahụ wee pụta n'ụzọ. Ọ bụ eziokwu na onye ọ bụla nweere onwe ya ibi ndụ ka o si masị ya, ma nke a apụtaghị na mmadụ nwere ike ịdị otu sọrọ ya wee pụta n'iro. N'ala Igbo, ndị ọchịchị kwesiri itinye anya n'ihe ndị mmadụ na-eyi n’ahụ; ọkachasị ụmụ nwaanyị, iji weghachite ugwu na nsọpụrụ ndị Igbo nwere n’oge gboo. Ndị nne kwesiri ịkwanyere onwe ha ugwu dị ka nne; mara na ụmụ ha na-ele ha anya, n'ihi na nne ewu na-ata agbara, nwa ya a na-ele ya anya n'ọnụ. Ọ bụ ụzọ ndị nne gosiri ụmụ ha ka ha ga-eso. Ọ dị mma ka ndị nne site na nwata mee ka ụmụ ha mara ụdị ejiji ndị Igbo nabatara na nke ha anabataghị. N'agbanyeghi ka e si elegara ejiji ndị agbụrụ ọzọ anya dị ka nke ndịọcha na ụsa dị iche iche a na-enye iji gosi na o nweghi ihe o mere; nke bụ eziokwu bụ na ha abụghị ọdịbendị Igbo. Ndị Igbo ekwesighi ịbụ ndị e ji iṅomi ọdịbendị ndị ọzọ wee mara. O kwesiri ka ndị Igbo nwee ihe ndị ọzọ si n'aka ha amụta. A na-ele anya na ọ bụrụ na etinye aro ndị a n’ọrụ na ha ga-enye aka n’ịtụteghari eziagwa na ọdịbendị e ji mara ndị Igbo.

**References**

Barcon, L. (n.d). “Liberia: The importance of culture and national identity in the society” http://allafrica.com/stories/201405301405.html 4/7/2019.

Ezeoke, J.M.O. (2008) "Political consciousness of the Igbo in the Nigerian polity" in proceedings of the national seminar on political consciousness of Ndi Igbo,eds. B.A. Okolo and N.P. Okolie (Benin: Mindex publishing company 2008),36-59.

Nwadike, I.U. (2003). Agụmagụ ọdịnala Igbo. Onitsha: Africana first publishers.

Ogbalu, F.C. (1981). Ndụ ndị Igbo. Onitsha: University Publishing Company 1981.

Okoyeagu, A.O. (n.d). Igbo resurgence.Awka: DemercuryBright printing & publishing. State of the Union: Trump hails ‘New American moment’ http://www.bbc.com/news/world-us-canada-42882887

Ubesie, T. (2010).Ọdịnala ndị Igbo.Ibadan: University Press.